# NEDAB NA ABAIHU

## Levitikọs 10 1-20; Ọnu-ọgugu 3:1-4

## IHE ỌMỤMỤ 85 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'aru ndi nābiarum nso ka agēdom nsọ, ọ bu kwa n'iru ndim nile ka agāsọpurum" (Levitikọs 10:3).**

**I Ọnwụ Erughị Eru nke Ụmụ Ndịkom Eron**

1. Chineke wepụtara Eron na ụmụ ya iche ịbụ ndị gana alụ ọlụ nke ndị nchụàjà n'Israel, Ọnu-ọgugu 3:1-3; Ọpupu 28:1; Ọnu-ọgugu 18:1-7
2. Omume nke elerughị anya nke Nedab na Abaihu mere ka ọkụ si n'ebe Onyenweanyị nọ bịa repịa ha, Ọnu-ọgugu 3:4; Levitikọs 10:1, 2; 1 Samuel 6:19; 2 Samuel 6:6, 7; 2 Ihe-Emere 26:16-23; Matiu 21:12, 13; Deuteronomi 4:24; 9:3; Ndi Hibru 12:29
3. Moses chetaara nna ha ká dị ndụ bụ́ Eron, banyere iwu nke Onyenweanyị na aghaghị inye Ya otuto na nsọpụrụ, Levitikọs 10:3; 1 Samuel 2:17; Ọpupu 34:14; Abù Ọma 73:28; Ndi Hibru 10:22; Jemes 4:8
4. Ụmụ Livai abụọ nke èzínaụlọ Kohat, ụmụ nwanna ndị ahụ nwụrụ anwụ ka agwara ka ha si n'Ụlọikwuu ahụ bupụ ozù ndị ahụ, ka aghara imerụ ndị nchụàjà ná-eje ozi ma ọ bụ eleghịanya gbochie ijéozi ha, Levitikọs 10:4, 5; 21:1-6, 10-12; Ọnu-ọgugu 3:19, 27-32
5. Moses chetaara Eron na ụmụ ya ndịkom nke fọdụrụ na ikwenyere Chineke na ikwesị ntụkwasịobi n'ọlụ Onyenweanyị karịrị ọlụ ọ bụla na ijéozi nke mmadu , Levitikọs 10:6, 7; Matiu 6:33; 1 Ndi Eze 19:19-21; Luk 9:59-62
6. Eron, Eleeza na Itama rubere isi wee nọgide n'ebe ijéozi ha, Levitikọs 10:3-7; Mak 10:28-30
7. Chineke Onweya nyere Eron na ụmụ ya ndịkom iwu ka ha debe onweha ichè nye Onyenweanyị ka ha wee jeere Ya ozi n'izu òkè niile, Levitikọs 10:8-11

**II Ọgwụgwụ nke Òfùfè nke Ụbọchị ahụ**

1. Agwara ndị nchụàjà ahụ ka ha gaan'iru n'ịchụ àjà nke òfùfè na iri òkè ha nke onyinye ịnata iruọma edebeere ha, n'Ebe Nsọ ahụ, Levitikọs 10:12, 13; 9:4
2. Ọkpụkpụobi na ụtakụ-ụkwụ nke àjà udo ka ndị nchụàjà na èzínaụlọ ha ga-eri n'ebe dị ọcha, Levitikọs 10:14, 15; 9:4, 18-21; Ọnu-ọgugu 18:8-20
3. Moses, mgbe ọ chọpụtara na ndị nchụàjà eribeghị àjà mmehie nke ndị mmadụ baara ụmụ ndịkom Eron mba n'ihi na ha emeghị nke a, Levitikọs 16-18; 9:3, 15, 22; 6:30
4. Ngọpụ Eron gọpụrụ ụmụ ya ndị abaara mba na-egosi na egwù na-atụ ha na ha adịbeghị ọcha dịka omume nke iwu ahụ si dị (nke mere na ha ezughi òkè iri àjà mmehie ahụ), ná-agbaghị agụgọ ihe kpatara nke a bụ ikpé mberede Chineke ahụ megide mmehie nganga n'ụbọchị ahụ, Levititkọs 10:19, 20; 9:15-17

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

### Ikpé Mberede N'etiti Ngọzi

N'ihe ọmụmụ anyị gara aga banyere Ụlọikwuu anyị hụrụ ebube ya na mpụta ìhè nke ime udo nke Chineke na ndị ná-efè Ya òfùfè. Anyị hụkwara ntọala nke ịbụ ndị nchụàjà nke agbụrụ Eron, na otú esi were ya tụnyere ịbụ Onye nchụàjà nke Kraist, Onye nọ ugbu a ná alụ ọlụ Ya nke ịbụ onye ogbugbò n'ihi anyị (1 Jọn 2:1). Ma otù onye sịrị, "Ìhè nke ajuru aju na-eweta ọchichiri"; anyị ga-ahụ eziokwu a ka ọ pụtara ìhè n'ihe ọmụmụ a, n'ihi na dịka ebube kachasị ukwuu nke Eluigwe pụtara ìhè nime na gburugburu Ụlọikwuu ahụ nke edoro nsọ ọhụụ igweojii nke ikpé zuru òkè dara na mberede, na-arapụ ọnwụ na iruuju n'ọnọdụ ha.

Ịbọ́ọ́bọ̀ mberede nke a bụ ihe atụ pụtara ìhè nke ọnụma Chineke nke ga-erechapụ ndị niile ji iru abụọ ná-efè Chineke ma ha adịghị abịaru n'ụzọ nke Chineke rọpụtara, nke bụ́ site ná Mkpuchi-mmehie nke Kraist mere. Iwe Chineke na-ere ọkụ n'ebe ọ bụla mmehie dị; ma ọ na-eresi ike n'ebe ịchụàjà Ya dị nsọ ma ọ bụrụ na ndị ji aka emerụrụ emerụ ná-éje ozi, wee were aka nnupuisi ná-adịghị nsọ ná-efé òfùfè n'ebe ahụ.

Ọkụ̀ ahụ nke Chineke chọrọ ka ejiri mụnye ihe nsure ọkụ̀ ahụ ná-esi ísì ụtọ bụ̀ nke amụnyeworo n'ụzọ dị ebube n'elu ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ nke ndị nchụàjà ahụ ná-eje ozi n'oge ahụ na-eme ka ọ ná enwu enwu n'oge niile (Levitikọs 6:12, 13). Mgbe emenyụworo ọkụ̀ ahụ bụ̀ tupu ma o bụ n'oge agha ahụ niile nke Sọl na Devid, emere ka o nwuru kwa ọzọ n'oge a na-edo Ụlọukwu nke Solomon wuru nsọ n'otù ụzọ ahụ esiri mụnye ya n'oge mbụ. Ihe nsure ọkụ̀ ná-esi ísì utọ nke Chineke na anara bụ̀ nke ahụ emere dịka ntụziaka Ya si dị na nke a na-eji náání n'òfùfè Ya. Ọ bụ ihe anaara náání ma ọ bụrụ na anwụrụ ọkụ̀ ya nke bụ̀ ụdị ikpé ekpere na-akwụgo n'elu site n'icheku ọkụ̀ nke ọkụ̀ ahụ dị nsọ. Ndịkom ndịa matara na Chineke adịghị asọpụrụ ijéozi nke onye ọ bụla ma ọ bụghị nke ahụ Ya Onweya kpaliri, ma ha kpachapụrụ anya ghara ilezianya n'ihe niile Chineke na-achọ.

Nedab na Abaihu bụ ndị amaara aha ha: Ha bụ ụmụ ndịkom onyeisi nchụàjà, ụmụ nwanne onyendú ndị Israel, na ndị-isi nke ndị okenye Israel. Ha na Moses na Eron anọworị n'Ugwu Chineke; ha ahụwo ebube nke Chineke anya mgbe Ọ pụtara ìhè n'ugwu Sainai; ha abụrụworị ndị arọpụtara na ndị enyefeworo ịbụ ndị nchụàjà, ọzọ kwa ha eguzoworị nso ná-enyekwara Eron aka n'ịchụàjà mbụ nke iwu ahụ. Ma n'ágbanyeghị ihe ndịa, ha mere ngwa ngwa wee mebie iwu Chineke, ma ikpé mberede sitere n'Onyenweanyị mere ka ha nwụọ. Ha dara site n'ọnọdụ ha dị elu wee daba n'olùlù nke ịlan'iyi.

Nedab na Abaihu bụ ndị anabatara ịbụ ndị nchụàjà ná mmalite nke ụbọchị wee bụrụ kwa ndi ejiri iwe dị nsọ nke Chineke mee ha ihe ihere ná mmechi nke ụbọchị. N'otù ụbọchị ahụ ha bụ ndị edoro nsọ nke Chineke ma n'anyasị ha ghọrọ ndị agbapụrụ site n'ebe ha nọ n'ihi ọbụbụ ọnụ Chineke bụrụ ha. N'ụtụtụ ahụ ha nwere olileanya nke ọgan'iru dị mma ma n'oge anyasị ha bụ ndị nwụrụ anwụ, olileanya ha niile bụkwa ihe efu. Ihe bụ mmalite na isi nke mmehie nke ụmụ ndịkom ndịa bụ nganga nke ha ji dochie òfùfè nke ha chepụtara n'onweha, n'inupuisi n'ihe nke Chineke rọpụtaworo. Ha ejighị "Otú a ka JEHOVA siri," kpọrọ ihe.

Otù onye nsọ, mgbe ajụrụ ya ajụjụ, "Gịnị bụ ihe egwu kachasị njọ nke mmadụ pụrụ ịdaba nime ya?" zaghachịrị sị, "Ijide eziokwu Chineke n'anụarụ na ibuli onweonye elu." Chineke egosiwo anyị n'ebe a mnwapụta zuru òkè na Ya agaghị ekwenye ka àtụ̀màtụ̀ nke mmadụ were ọnọdụ nke òfùfè nke Ya Onweya rọpụtara. Onye na-eme àtụ̀màtụ̀ ndị dị otú a na-ebuli onweya elu ịkarị Chineke, n'ezie agaghị agụ ya dịka onye ikpé ná-amaghị n'iru Chineke. Ìhè nke Chineke pụrụ ime ka onye dị otú a kpuo isi; igbe ọgbụgbandụ Chineke pụrụ ila ya n'iyi; ebe ịchụàjà nke Chineke pụrụ itigbu ya; ọzọ tebụl nke Onyenweanyị bụ ikpé ọmụma nye ya. Eziokwu nke akpachapụrụ anya site na ya wezuga onweya pụrụ ịbụ, nye ndị ahụ daghachiri azụ̀ ụdọ-igwè nke ná-atụghị atụghị, nke ná-ekechikọta, na nke ná-eme ka o kpuo isi ruo mgbe ebighị ebi.

Chineke pụrụ ime ka ọlụ Ya ná-aga n'iru site n'ijéozi nke ndịozi dị ọcha, mmadụ ole na ole, ọ bụghị kwa site n'igwè mmadụ rụrụ arụ̀ ndị na eyi uwe ndị nchụàjà ma ná-ejere ọchịchọ nke anụarụ ha dị iche iche ozi. A na-ekwu sị "Ekweghị-ekwe nke dị n'ebe ịchụ-àjà aghaghị ịmụpụta ọtụtụ mkpụrụ nke okpukpé ọjọọ. Ndị nchụàjà ná-adịghị enyebiga Chineke onweha ókè n'eziomume apụghị ịzụpụta ndị mmadụ ná-enyebiga onweha ókè n'eziomume n'òfùfè nke Chineke ịbụ ihe nketa nke Chineke." Mpụta ìhè nke iwe Chineke n'arụ̀ ụmụ ndịkom nke Eron kwagidesiri ndụmọdụ ahụ ike ruo ebighị ebi bụ nke ná-asị "Dinu ọcha, unu ndi nēbu ihe di iche iche nke JEHOVA" (Aisaia 52:11).

**Ikwesi Ntụkwasị obi nke Eron**

Amaokwu nke atọ na Levitikọs isi iri (10:3) ka otù ahịrị dị nke nwere okwu ole na ole ma jupụta ná mkwuwa okwu dị omimi: "Eron we gba nkiti." Nwoke a guzoro ma ná-elegide ozù ụmụ ya ndịkom ndị bụ okenye anya ka ha tọgborọ bụrụ kwa ndị nwụrụ anwụ n'iru ebe ịchụàjà ebe esitere n'iwe Chineke tigbuo ha. O nweghị ọbụná otù olileanya ntà nke ga-akasi ya obi n'oge iruuju ahụ ewepụ nghota ahụ o nwere na ọ bụ ihe sitere n'aka Chineke, nke O mere igosipụta izi ezi nke ịdị nsọ na otuto Ya. Ọ matara na ọ bụ ahụhụ ziri ezi ma otú ọ dị ọ ghaghị imetụ ya n'ebe ọ dị ukwuu bụ ọnwụ nke ụmụ ya dịka nna ọ bụla nke nwere ịhụn'anya ná-aghaghị inwe. Otú ọ dị, n'ágbanyeghị mwuta na iruuju ya, ọ "gba-nkiti."

**Iwu Enyere Banyere ndị Nwụrụ Anwụ**

Ọ bụ ihe ziri ezi na ndị ndú nke èzínaụlọ Livai nke Kohat, ndị agaje inye ọlụ nke ibugharị arịa nsọ dị iche iche na oche nke Ụlọikwuu ahụ n'oge ná-adịghị anya, bụ ndị arọpụtara ibupụ ozù ndịkom ahụ ekpere ikpé ma maa kwa ha ikpé. Elzafan bụ onyeisi nke ndị Kohat, Mishael bụ nwanne ya nke ji kwa ọkwà dị elu n'ijé ozi nke ndị Livai.

Anyị gụrụ na n'ikpeazụ̀ mgbe oge ọnwụ Eron ruru. Onyenweanyị nyere ndụmọdụ ka eyipụ ya uwe ndị nchụàjà ya niile mgbe ọ ka dị ndụ, were kwa ya nye onye ga-anọchi ya. Ọ bụrụ na ọ nwụọ nime uwe niile ahụ edoro nsọ ọ ga-eme ka uwe ahụ bụrụ ihe ná-agaghị adị mma iji jee ozi ọzọ n'ebe ịchụàjà ahụ (Ọnu-ogugu 20:26). Ma ikpé Chineke n'arụ ndị nchụàjà ndịa ná-ekwesịghị ntụkwasịobi bịara na mberede na n'ozuzu òkè nke mere na oge adịghị iyipụ ha uwe nchụàjà ha. Ha nwụrụ nime uwe nwuụda ha ma n'ihi mmerụ ahụ emerụrụ uwe ahụ eliri Nedab na Abaihu nime ha. Ọ dị ka Jud rụtụrụ ihe a aka n'akwụkwọ-ozi ya mgbe ọ na-ede sị, "Nāzọputa-kwa-nu ufọdu, nāguputa ha n'ọku; ma werenu egwù mere ufọdu ebere; nākpọ ọbuná uwe-anu-aru nyeworo ntupọ asì" (Jud 23).

Moses chetakwara ndị nchụàjà fọdụrụ ihe niile ọzọ megidere Iwu. Ha agaghị egosi iruuju ọ bụla nke a na-ahụ́ anya, n'ihi na ha bụ ndị ná-eje ozi n'ebe ịchụàjà ahụ. Ndị ná-eje ozi dị otú a ga elezianya ka ihe ọ bụla ghara igbochi ijéozi ahụ (Jọn 4:31-36). Ọzọ, n'ihi na ọ bụ eziokwu na ihe ọjọọ ha kpaliri iwe Chineke ebe ọ dị ukwuu, iruru ha uju ma o bụ ịkwá ákwá n'ihi ha bụ ihe Chineke ma ọ bụ mmadụ ga-agụ dịka ihe iji kọwaa Chineke dịka Onye ikpé obi ọjọọ mara.

**Ozi Chineke Malitekwara**

Eleghịanya ọ na-ewere ogologo oge ịkọ ihe niile mere n'oge hour ahụ dị egwù, karịa otú ihe niile ahụ siri mee. Ndị ahụ ná-emebi iwu batara nime ebe ahụ ihe nsọ nke Chineke dị ma bụrụ ndị etigburu etigbu. Ndị nchụàjà fọdụrụ guzoro n'ịma jijiji mgbe ikpé ahụ na-apụta ìhè ebe onyeisi ahụ bụ́ Moses nyere ntụziaka zuru òkè ụzọ a ga-esi lie ozù ndị ahụ wee dọọ kwa ndị ahụ fọdụrụ aka-ná-ntị. N'ihi nke a enyere iwu nke ịmalite òfùfè nke Chineke, ndị nchụàjà malite kwara site n'ebe ha kwụsịrị n'ememe ịchụàjà ahụ.

Mgbe ewetara àjà ufọdụ n'iru Chineke, ụfọdụ nime ha ka ndị nchụàjà na-eri. A na-arụtụ aka na mgbe ha riri òkè nke enyere ha, ọtụtụ ihe dị nime ya karịa náánị ime ka anụarụ ha maa abụba. Dịka ndị nchụàjà na-eri àjà ahụ ha na-atụ aka mgbe onye nchụàjà na àjà ahụ ga-abụ otù onye bụ́ Jisọs Kraist, Mesaia ahụ. Iri àjà ahụ, bụ otù akụkụ nime òfùfè nke ịchụàjà ahụ nke pụtara na ọ bụghị ihe a ga-eme otú ọ masịrị ha, ma ọ bụ n'elezighị anya ma o bụ ịgụ ya n'ihe ná-abaghị n'ihe (Gụọ 1 Ndi Kọrint 11:23-30).

Ụfọdụ àjà ka ndị nchụàjà náánị ga-eri n'Ebe Nsọ ahụ, ebe ndị èzínaụlọ ha ga-eri nke fọdụrụ n'èzí ebe ịchụàjà ahụ ma ọ ga-abụ kwa ebe dị ọcha. Otú ọ dị agaghị eri àjà mmehie ọ bụla ma ọ bụrụ na ewetara ọbara ya n'Ebe Nsọ, ma wụsa ya n'elu ebe ịchụàjà ọlàedo ahụ n'iru akwa mgbochi ahụ. Ozú anụ niile ahụ ka a ga-esure ọkụ n'ebe dị ọcha n'azụ ọmụma ụlọikwuu ahụ.

**Àjà Mmehie Ahụ Nke A Na-erighị Eri**

Moses nwere nleruanya ka ohere ime ihe ọjọọ ọzọ ghara ịdị; ma site n'ịnụọkụ dịka ezi onyendú ọ hụzuru ihe niile banyere omume ndị nchụàjà ahụ n'otù n'otù, ịhụ́ na ha mere ihe niile dịka Okwu Onyenweanyị si dị (Ndi Hibru 13:17). O nyere usoro maka àjà ọ bụla.

À ká ewereghị ọbara nke àjà mmehie ndị ahụ baa n'Ebe Nsọ ahụ, ya mere ndị nchụàjà ga-eri anụarụ ha (Gụọ Levitikọs 6:24-30). Mgbe Moses chọpụtara na emeghị nke a, ọ basiiri ụmụ ndịkom Eron abụọ ahụ ndị fọdụrụ mba ike n'ihi na anụ ahụ ka esurere n'ọkụ kama iri ha eri. Eron rịọrọ arịrịọ mgbaghara n'isi ụmụ ya nke Moses nábatara n'ihi nsogbu nke ụbọchị ahụ. Ọ dị ka ihe mere eji ná-arịọ arịrịọ ahụ bụ ihe banyere ọlụ niile nke ìché àjà ahụ na emewo ya n'izu òkè na ịdịnsọ niile, ewezuga nke ahụ a na-akpọ òkè nke ememe. Ọ sị "Ihe dika ihe ndia we dakwasim: asi kwa na eririm àjà-nmehie ahu ta, ò gādi nma n'anya JEHOVA?" Nke a na-egosi na ihe egwù niile nke ikpé ahụ meworo nke mere ka ụmụ Eron abụọ nwụọ emewo ka ya onweya were ezi nleruanya nyochaa obi ya ịhụ́ n'ezie na ọ dịghị kwa nnupụisi ọzọ ga-adị n'ebe iwu Chineke dị.

Eleghịanya ndị nchụàjà ndịọzọ erighị kwa àjà ahụ n'ihi nghọta ha na ha erughị eru, na n'ihi egwù ime ihe ná-ekwesịghị ekwesi nke pụrụ ime ka ikpé ọzọ bịa. Otite mmanụ nke Onyenweanyị dị n'arụ ha ma ha ga-enweworị mmetụta nke adịghị ọcha na erughị eru n'otù akụkụ, ebe ha hụworo ihe egwù pụtara ìhè nke ike Chineke n'ụzọ ná-enweghị ihe mgbagwoju-anya nke ịpụ ime ihe niile Ya (Aisaia 6:1-5). Ha chéré na ha ga-eri anụ nke àjà otuto, nke bụ̀ òkè kwesịrị ha, ná ntụkwasịobi; ma mgbe o ruru n'iri àjà ahụ nke ewetara maka iji wepụ ihe mgbochi nke ime mmụọ na mmehie eburu pụta ụwa ọ na-abụ ihe siri ike, ọzọ ha adịghị enwe mmasị ma ọ bụrụ na ejighị nlezianya ná-emetụ ihe dị otú ahụ aka.

**Ihe Ọ̀mụ̀mụ̀ Anyị Mụtara N'ihe a Nke Mere**

Anyị na-achọpụta site n'akụkọ a dị egwù banyere ndị Israel ihe mmụta pụrụ ichè dịrị anyị niile. N'ebe ezi mmadụ nọ, ọnwụ mberede bụ̀ náánị nnapụta mberede pụọ n'ihe mgbu niile nke ndụ. Ọ bụ náánị ịbànye n'otuto na mberede n'ebe ọ nọ. Ọ na-anapụta ya n'ọtụtụ nchègbu na ihe mgbu. Ọ na-agbanwe anụarụ ya nke pụrụ ịnwụ anwụ baa na nke ahụ ná-apụghị ịnwụ anwụ na nke ná-adị ebighị ebi. Ọ na-ewepụ ya site n'ụwa nke anya mmiri na iruuju wee kụọ ụkwụ ya n'ala nke ọñụ ebighị ebi ahụ na obi ụtọ. Ọ na-ebi n'ebe ahụ dịka onye nwe onweya ruo ebighị ebi n'ihi na o nweghị ohere ọ bụla dịrị mmehie n'Eluigwe ọzọ ọ dịghị onye ọnwụnwa nọ n'ebe ahụ ịrafu ya. Ma mgbe ebipụrụ onye mmehie ná-enweghị uche onye ná-enweghị kwa nchègharị ma duru ya ọsọsọ baa n'ikpé ná-enyeghị ya ohere ma ọ bụ ịdọ aka-ná-ntị, ọ bụ nnọọ ihe egwù dị ukwuu. Ohere adịghị kwa ọzọ nye ya iji dozie ụzọ ya ma ọ bụ ichègharị site ná mmehie ya niile. Dịka ebe osisi dara ebe ahụ ka ọ na-atọgbọ (Gụọ Eklisiastis 11:3). N'ágbanyeghị otú mmadụ ji nyebiga ndụ ya òkè n'ebe Chineke nọ ọnọdụ ime mmụọ ya n'oge ọnwụ ya ga-ekpebi ebe ọ ga-anọ ebighị ebi. Ọ dịghị kwa ohere dịrị mmadụ ọ bụla mgbe ọnwụ gasịrị ichègharị site ná mmehie ma o bụ ịsachapụ ha pụọ ná ntụpọ ha. Otú anyị jiri bie ndụ, otú ahụ ka anyị ga-anwụ -- guzo kwa n'iru Chineke otú ahụ.

Nedab na Abaihu abụworị ndịorù nke Chineke nwere ịnụ ọkụ n'obi, ha nwetakwara ọnọdụ dị elu nke ọtụtụ mmadụ n'Israel ná-enweghị. Ma ha mehiere, ma mgbe ha nọ ná njehie ha ọkụ dakwasịrị ha, ha wee bụrụ ndị nwụrụ anwụ n'otù ntabi anya. Ha agaghị eguzo n'iru Chineke n'ikpé dịka ndị hụworo ebube Chineke n'Ugwu Sainai kama dịka ndị nnupuisi, ndị ná-aga n'uche nke aka ha, ndị mmehie nke mpako ndị weere ụzọ niile nke aka ha dochie ụkpụrụ niile nke Chineke ma bụrụ kwa ndị nọ ná nnupuisi akpọrọ ka ha guzoro n'iru Chineke, ndị ekperè ikpé ma maa kwa ha ikpé n'ihi mmehie isiike ha (Ilu 14:12).

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Kpọọ aha ụmụ Eron ndịkom anọ ahụ n'usoro na arọ ha gbara.
2. Gịnị mere ejiri nye ọkpara Eron ọkwa pụrụ iche?
3. Gịnị bụ ihe jikọtara ụmụ ndịkom ndịa na Moses n'ọnọdụ èzínaụlọ ha?
4. Kọọ ihe banyere ime uche onweonye nke mmadụ abụọ ahụ mere nke wetaara ha ọnwụ.
5. Gịnị mere Chineke ji achọ mkpachapụ anya n'ijéozi Ya?
6. Gịnị kpatara Eron erurughị ha uju dịka nna kwesirị iruru ụmụ ya uju?
7. Òlee óké ihe mmụta nke omume Eron na-akụziri anyị?
8. Gịnị mere Chineke ji achọsi ike ka ijéozi Ya dị ọcha ma dị kwa nsọ?
9. Gịnị mere ejiri lie ha na uwe ha?
10. Òlee ụdị àjà mmehie nke ndị nchụàjà ga-eri n'Ebe Nsọ ahụ, nke a na-agaghị ere ọkụ n'àzụ̀ ọmụma ụlọikwuu?